ÉKWÉ JỌNAL NKE NDỊ IGBO SCHOLARS FORUM, NIGERIA. Volume 4 No 2, *September*, 2017

# Nzipụta Ndịna N'abụ A Họọrọ Dị N'*uche Bụ Afa*

**Ifeka, O. R. (PhD)**
**Chukwuemeka Odumegwu Ojukwu University,**
**Igbariam Campus**
**Department of Igbo Language**

**Ụmịedemede**
E nweela ọtụtụ abụ e nyochara iji zipụta ụdịdị ha dịka abụ ikpe maọbụ abụ echiche miri emi. A chọrọ ileba anya n'abụ dị n'*Uche Bụ Afa*, nke G. O. Onyekaonwu dere. Edemede a chọrọ izipụta etu Onyekaonwu siri site n'abụ ndị a họọrọ wee gbaa n'anwụ nsirihụụwa ndị Igbo naọtụtụ ihe ndị mmadụ na-agabiga n'ala Igbo nke nwere ike nye aka dozie agwa a na-akpa n'oge a. A họọrọ abụ anọ ndị a: "Akwa Onye Ụbịam", "Olu Mmmọnwụ", "Aga M Abụ Ikuku, na Iyoo M wee mee nzipụta n'ozuzu oke. A na-atụ alo ka e nwee ndagharị akwụkwọ a bụ*Uche Bụ Afa* iji weruo ụtọasụsụ dị n'ime ya n'ogo ụtọasụsụ ugbua niihina ụtọasụsụ Igbo na-eto kwaụbọchị. Ọzọ bụ ịgbazinye ndị odeabụ ego ha ga-eji na-edepụta ma na-ebipụtakwa akwụkwọ abụ dị n'ụdị*Uche Bụ Afa*. N'ezie odeabụ*Uche Bụ Afa* n'echiche nwanchọcha gbọrọ ihe ewu na-eri n'edemabụ keoge ugbua.

## Ndubanye

Odeabụ bụ onye na-amụanya banyere ihe ọbụla na-eme na gburugburu ebe ọ nọ. Ọ naghị eleghara ihe ọ hụrụanya. Ụda ọbụla ọ nụrụna ihe na-eme maọbụọ na-eche ga-eme n'ebe ọ nọ n'otu oge ahụ, etundị mmadụ si akpa agwa, nzuzu ha, ahụhụ ha na-ata maọbụọṅụ ha. Ọzọkwa, ọ bụ onye na-eji asụsụ akọwa ihe mmadụ na-eche banyere onwe ya na ebe o bi, ebe ha siri bịa. Ihe ha na-eme ebe ahụ? Ebe ha ga-alọghachi. Odeabụ n'ime ya nwere ọtụtụ echiche na nghọta ọ chọrọ ka ọhanaeze mata. Ihe ndị a niile ka o ji asụsụ ezipụta n'ụdị abụ. Odeabụ na-achọụzọ isi mee ka ọhanaeze chọpụta ihe na-eme n'okirikiri ha

mana niihi na ihe ọbụla na-eme na-agbagwoju anya, asụsụ odeabụ bụrụkwa nke a na-akpị akpị,ọgụụ na-enwe nhịaahụịghọta ihe odeabụ na-ede mana onye nnyocha a zuru n'agụmagụ aghaghịigbalịsi ike zipụta ezi nghọta dị n'abụ odeabụ dere.

Ọtụtụ abụ kaa ga-eji zipụta abụ ekereuche. Etundị odeabụ si ezipụta mmetụta site na nhọokwu na atụmatụ okwu ha na-ewere ede abụ na-egosi odeabụ dịka ọkaibe n'ihe e ji asụsụ eme. Site n'abụ ndịa họọrọ, a ga-eji ha wee gosipụta mkpa ọ dị mmadụ iji uche dị nkọ na-echepụta ihe o kwesiri ime n'oge ọbụla. Nchọcha a chọrọịgba n'anwụ etu odeabụ, *Uche Bụ Afa* siri site n'ịgba mbọ ya wee nyochapụta ihe na-eme na ndụ, nzipụta omenaala, nkwenye na nsirihụụwa ndị Igbo. Ọ hazikwaraọtụtụ ihe adịghị mma n'etiti anyị n'oge a.

**Akụkọ Ndụ Odee**

G. O. Onyekaonwu bụ odeabụ ma bụrụkwa odeejije. Ọ bụ onye Nnewi dịna Steeti Anambara. Nna ya bụ Maazị Uzodoo Onyekaonwu, ebe nne ya bụ Odz. Akumkpọ Onyekaonwu lachagoro mmụọ. Ọ gara akwụkwọ Praịmarị n'ụlọakwụkwọ St. Lukes (CMS), Enugu Ezike. O mechara nwee ọtụtụ nzere mmụta n'ogo dị elu wee bụrụ ọkankuzi na ọkammụta. Ọ lụrụ nwaanyị mụta ọtụtụụmụ. Ọ laala ezumike ọrụna Mahadum Nnamdi Azikiwe ebe ọ nọrọ kụzi nkuzi ọtụtụ afọ. O deela ọtụtụ akwụkwọ n'Igbo, ọkachasị n'ejije.

N'inyocha abụ, echiche miri emi ndị a Onyekaonwu dere n'*Uche Bụ Afa*, a ga-agbaso usoro ọhụụ e si eme nnyocha abụ n'ụzọ ndị a;

- Nkọwapụta ndịna agụmagụ
- Nnyocha ihe mebere agụmagụ
- Mkpebi ọnọdụ agụmagụ

A họọrọ abụ ndị a sitere n'*Uche Bụ Afa*:

- "Akwa Onye Ụbịam"
- "Olu Mmọnwụ"

- “Aga M Abụ Ikuku”
- “Iyoo M”

Abụ echiche miri emi bụ abụ ndị gboo ji azụlite ụmụ ha n’ebe ọdịnala dị n’ụdị nso ha na ihe a tụrụ anya onye ọbụla ime n’obodo. A na-esite n’ụdị abụa akụzi nkuzi a dị mkpa. Ka anyị gbasoo usoro e kwuru wee lebaa anya n’abụ ndị a họọrọ.

**AKWA ONYE ỤBỊAM**

Chi m ị gbuola m!
Gịnị ka I jiri mee m
Ka m were anya m na-ahụ ntị m;
Ka m were eze na-ekpe ekwere?
Gịnị ka I jiri mee m
Ka m na-elere ụwa naanị n’anya?
Gịnị ka m ga-eji bụrụ
Ọ dị ndụọnwụ ka mma?
Ọnụ m adịghị eru n’okwu
N’ihi na okwu baa n’ego
Nwa ogbenye esere ọnụ ya
Gịnị ka I jiri mee m
Aka akọta ụtara, aka akọta ofe nri?

Ọ bụ eziokwu na m garuo ụlọọgwụ
Hụọnọdụụmụ mmadụ ma ọ bụ
Nụrụ ekpere ha na-ekpe sị:
Ka anyị dị ndụ ma ya bụrụ ego
Bụrụkwa ezi okwu na m ji anya m abụọ
Na-ahụ ndịara nandịọrụsị dị iche iche –
Ndị na-abụghị ndụ ka ha dị
Wee chọwazie ikwu okwu ego
Ma ihe ndịa agaghị egbochi m
Akwa arịrị m na obi mgbawa m,
Nke e nweghị ego na-ewetara m
Kama ịdị ndụ osisi akpụ

Kama ịdị ndụ bụrụ ohu,
Ọnwụ kaara m mma

Abụ a bụ abụ echiche miri emi. Odeabụ ji asụsụ wee kụrụ mmụọọgụụ inwe ezi mmetụta site n'abụ a. Isi ihe ọ gbadoro ụkwụ bụ mkpesa. E kere abụ a na nkebiabụ abụọ. Nkebiabụ nke mbụna nke abụọ nwere ahịrịabụ iri na anọ, iri na anọ n'otu n'otu. Odeabụ họọrọ asụsụ nka dịike nke akụghị mmiri wee chọọ abụ ya mma, nkamma ya juru eju ma jupụtakwa na kwunkwukwasị. Odeabụ zipụtara ọnọdụ onye ụbịam a dịka ihe chi ya wetaara ya. E nwere ọtụtụ ajụasaaghịna nkwusara n'abụ a. Na nkebiabụ nke mbụọ jụrụ ajụjụ ndị a:

i. Gịnị ka m bịara n'ụwa a ime? ahịrịabụ 2
ii. Gịnị ka I jiri mee m ka m? ahịrịabụ 3
iii. Ka m were eze na-ekpe ekwere? ahịrịabụ5
iv. Gịnị ka m ga-eji bụrụọdị ndụọnwụ ka mma? ahịrịabụ 8 na 9
v. Aka akọta ụtara, aka akọta ofe nri? ahiriabụ 14

Odeabụ na-ajụ Chi, onye o kwenyere na ya, ka o nyere ya aka ka ọ ghọta ụdị ndụọ hụtara onwe ya n'ime ya, nke amasịghị ya ma ọlị. Ọ na-ekpesa n'akwa arịrịna mwute ụdịọnọdụọ hụtara onwe ya n'ime ya. Na nkebiabụ nke abụọ, odeabụ gosipụtara ka ọnọdụ siri dowerendịọzọ ihu ebe nke ya pụrụ iche ma dị njọ.

Nkebiabụ nke abụọ, ahịrịabụ nke mbụ wee ruo na nke anọ.

Ọ bụ eziokwu na m garuo ụlọ ọgwụ
Hụ ọnọdụ ụmụ mmadụ ma ọ bụ
Nụrụ ekpere ha na-ekpe sị:
Ka anyị dị ndụ ma ya bụrụ ego

N'ebe a,ọ na-egosi na n'agbanyeghịọnọdụ ndị mmadụ nọ n'ụlọọgwụ na mwute na-achọ ma na-ekpe ka ha dị ndụ,ọ bụghị ya ka ọ ga-eji hapụịrịọ ka o nwee ezi ọnọdụ maọbụ hapụ mkpesa. Dịka o siri kwuo,

Kama ịdị ndụ osisi akpụ
Kama ịdị ndụ bụrụ ohu
Ọnwụ kaara m mma

Arịrịọ odeabụ n'abụ a zipụtara ilu (ilu bụ okwu amamihe na ekereuche). O zpụtara ezi ntụlekọrịta n'etiti ọchịchọ akụnaụba naọchịchọ ahụike. Ọbụladị mgbe ọ chọpụtara na ya ka ha mma,ọ na-ekwukwa na ndụ kwesịrị inwe ezi ihe e ji eleta ya n'ozuzu oke. Odeabụ site n'asụsụ nka o jiri mejupụta abụ a na kwunkwukwasị juputara n'ime ya na-agbadosi ụkwụ ike n'ihe ọ na-ekwu banyere a hụghị tụtụrụ rachaa. A bịa na nkebiabụ nke mbụ,

- Gịnị ka I jiri mee m? ahịrịabụ 3
- Gịnị ka I jiri mee m? ahịrịabụ 6
- Gịnị ka I jiri mee m? ahịrịabụ 13

Isiokwu abụ a na-egosipụta "Chi" dịka onye pụrụ ime ihe niile. O nwere ikeịgbanwe ọnọdụọbụla mmadụ nọ. Abụ ekereuche a na-akụziri ọhanaeze ezi agwa.

**OLU MMỌNWỤ**

Mgbe mmadụ na-abụkwaghị onwe ya
N'ihi naọ dara iwu mmụọ,
Ọ dị olu pụrụ iche ọ na-anụ;
Nke na-akpọ, na-akpọ,
Na-ebigbokwa n'ike n'ike;
Nke a na-akacha n'etiti abalị,
Mgbe ọchịchịrị dọọrọụwa
Kpuchibido na ndagwurugwuru itiri
Mee ka ebe niile na-esi mmụọ mmụọ
Egwu egwu; ọnwụọnwụ; mfu mfu.

Mgbe olu a na-akpọ ya,
Ọ na-akpọ esepụghị aka
Ọ na-akpọ, na-aba, na-etigbo
N'ihi naọ bụ olu oke mmụọ

Mma ọchọnsịọ kpa n'aka ya
Na-apụọkụ, na-akwụ anwụrụ
Nke mere na onye ọ na-akpọ
Ahụ na-ama jijiji n'oke ụjọ;
Obi ya na-eti kpum, kpum, kpum
N'ihi na oku ahụ atọghị nkịtị

Ma onye ahụ na-ekpe, na-arịọ
N'imurimu ụka, ọ na-ekpesa, na-asị;
Ana m arịọ gị nna anyị ukwu,
Biko nyetụ m nwa ohere
Iji wee mata (otu ma otu ọ hala)
Ihe iwe gị jiri dịọkụ otu a
Ọ bụ ezokwu (amatara m) naọ dighịọkwụkwa
Na m ga-azarịrị oku a (na nwa oge nta)
Ma biko kọwatụtụnụ m, biko,
Tutu olu mmọnwụ alaa.

Abụ a bụ abụ echiche miri emi dị mma n'ụdị e siri gosipụta njije nke nsirihụọnwụ n'ọdịnaala ndị Igbo. Abụ a dị nkebiabụ atọ, nkebiabụ nke mbụ dị ahịrịabụ iri, nke abụa dị ahịrịabụ iri, ebe nkebiabụ nke atọ dị ahịrịabụ iri na otu. Odeabụ zipụtara ebimndụ ndị nọ n'otu ebe na nke ndị nọ n'ebe ọzọ na nke ndị nọ n'ebe ọzọ na-ebikwa ndụ nke ha. Odeabụ na-arịọ olu mmụọ ka o nweere ya ndidi na ya maara nke ọma na ya ji ya ụgwọịza oku ọ na-akpọ. Odeabụ gosikwara na olu mmụọ anaghị enwe ndidi ma chọta mmadụ niihi na ngwaọrụ ya na-adị ya n'aka oge ọbụla, na onye ọbụla ọ kpọrọ na-anọ n'ụjọ niihi na oku ya anaghị abụ ka e rie maọbụ ṅụọ kama na ọ na-abụrịrịọnwụ. Onye ọ kpọrọ na-arịọ na-asị biko nna m ukwu wetuo obi gị biko ka m nweenụike chọpụta ihe bụ iwe gị n'ebe m nọ. Ama m na m ga-azarịrị oku a. Odeabụ ji nke a zipụta na mmụọ ndị nwụrụ anwụ na ndị dị ndụ na-akparịta ụka n'ụzọ abụla ụzọ. Ọ gbara n'anwụ nnwere onwe ndị mmụọ n'agbanyeghị ka o siri dịrị ndị dị ndụ. Lee ọmụmaatụ:

Nkebiabụ nke atọ, ahịrịabụ 9-11
Na m ga-azarịrị oku a
Ma biko kọwatụtụnụ m biko
Tutu olu mmụọ alaa

Olu mmụọ dị egwu mana asụsụ e jiri dee abụ a dị mfe. Ọ gbara n'anwụ ihe ọdachi a bụọnwụ nke na-adakwasị ma onye ukwu na onye nta. Abụ akwa a pụtara ihe etu odeabụ siri begide akwa wee ruo n'isi njedebe abụ a. Ọmụmaatụ nkebiabụ nke atọ, ahịrịabụ 3-7:

Ana m ariọ gị nna anyị ukwu
Biko nyetụ m nwa ohere
Iji wee mata (otu ma otu ọ hala)
Ihe iwe gị jiri diọkụ otu a

N'ebe a,, e zipụtara etundị Igbo siri hụta ọnwụ, ọ bụghị naanị na ọ na-egbu onye ọbụla kama na ọ naghị eme ebere ma ọ chọọ igbu mmadụ. Isiokwu abụ a bụ,na ndụ bụ ihe na-agafe agafe nke anyị amaghị ihe nwere ike idapụtara anyị.

**AGA M ABỤIKUKU**

Oke bụrụ nke mmadụ
Ma ọ bụ a sị onye ọ bụla were
Ihe ọ ga-abụ n'ụwa ọzọ
M jee bịakwa, ọ ga-asọ m
Ka m bụrụ ikuku

Ee! Ikuku ka m ga-abụ
Inye ndụ ga-adị m n'aka;
Igbu egbu ga-abụkwa nke m
Ọ bụ mmadụ, ọ bụ anụọhịa
Aga m adịrịrị ya mkpa
Ọ bụ ogbenye, ọ bụọgaranya
Ọ ga-achọtarịrị m.
Ma ọ bụrụna o meghị nke a
Ekwe ga-akpọrịrị ya.

Ee! Aga m abụ ikuku
Dike ji mma, jide ji
Onye ọ wanyere, yaerie
Agaghị m na-awanye ji m mpụ
Dịka ikuku nke a si eme
Aga m akpara anya m n'aka
Na-ahụchapụta ndị ome mma
Naanị ha ka ji m ga na-erute aka
Ma ndị ome njọ niile
Ka ekwe ga na-akpọ
Ọ kpọpụ, ọ kpọkwa
N'ihi na ha agaghị na-anụ isi ji m

Ọ dịkwanụghị onye ga-ahụ m anya
Sị ya na-abịa ịrịọ m arịrịọ;
Ma ọ bụịbịa mee m aka azụ
Ma ọ bụ isiri m ọnya
Sị ya chọrọ ijide m, gbuo
N'ihi na abụ m ikuku
Adịghị m ama n'ọnya
Ọ bụ m na-enye ndụ
Ọ bụ m na-enye ọnwụ.

Abụ a bụ abụ echiche miri emi ma gbaa n'anwụ n'ebe dị egwu etundị mmadụ siri achọsi ọchịchịike. Ọzọ, etu mmadụ si chọọike imegide ndị iro ya. E kere abụ a na nkebiabụ anọ, nkebiabụ nke mbụ nwere ahịrịabụ ise, nkebiabụ nke abụọ nwere ahịrịabụ iteghete, nkebiabụ nke atọ nwere ahịrịabụ iri na abụọ, ebe nkebiabụ nke anọ nwere ahịrịabụ iteghete.

Odeabụ malitere mkparịtaụka n'etiti ndị amaghị ole ha dị, n'ikpebi na ya ga-abụ ikuku. Ka ọ na-aga n'ihu, o ji nhagideokwu wee nwachapụta naọ bụ uru maọbụịdị mma na ugwu mmadụ inwe ike ọchịchị.

Ọmụmaatụ; nkebiabụ nke abụọ, ahịrịabụ nke anọ:

Ọ bụ mmadụ, ọ bụ anụọhịa ahịriabụ 4
Ọ bụogbenye, ọ bụọgaranya ahịriabụ 6

A chọpụtara na n'agbanyeghị etu odeabụ siri kọwa olu mkpebi ọjọọ dị n'abụ a, e nwere akpaalaokwu ndị o zipụtara ma gbaa n'anwụ abụghị naanịụdịdị ikuku kama etu ikuku siri dị umeala nke na onye ọbụla na-eketa oke n'ime ya. E nwere o peka mpe akpaalaokwu asaa n'ime abụ a, nke na ha niile na-ekwugide ezi omume, e ji ha zipụta mkpebi maọbụ mmetụta nke odeabụ.

Ọmụmaatụ;
Inye ndụ ga-*adị m n'aka*
Agaghị m *awanye ji m mpụ*
Aga m *akpara anya m n'aka*
Naanị ha ka ji *na-erute aka*
*Ka ekwega-akpọ*
Ma ọ bụ*ịbịa mee m aka azụ*
Ma ọ bụ*isiri m ọnya*
Adịghị m *ama n'ọnya*

Odeabụ katọrọ agwa ndịọjọọ mana na-ekpecha ha niihi agwa ha site n'ịbọọbọ wee naghaa ihe ji ndụ mmadụ bụ ikuku. Na ha na-anwụ n'otu n'otu manandị ezi agwa ga-anọ na-ebi ndụ nke ikuku na-enyebiga oke. Ọmụmaatụ:

Nkebiabụ nke atọ, ahịrịabụ nke 7-11
Na-ahụchapụta ndị ome mma
Naanị ha ka ji m ga na-erute aka
Ma ndị ome njọ niile
Ka ekwe ga na-akpọ
Ọ kpọpụ, ọ kpọkwa

**IYOO M**

I yiri mmiri ọnụụtụtụ?
E-e!,Ọ na-adịkata gbarụọ

Ị bụzịnụụtụ chara n'ọhịa?
Mba! N'ihi naọ chakarịa ọ daa.
A ga-ejizi gị tụnyere ugo?
Ọ dịghị! n'ihi na ugo na-adịkata rie awọ
Ewo! mmaị mara enweghị atụ,
Ọ bụghị nke na-eme nsachapụ.
Ị bụghịọ mara mma n'ugbene
N'ihi na mma gị zuru oke
O sitere n'isi ruo n'ụkwụ;
Site n'ahụ ruo n'obi
Iyoo m, ị dị sam, i nweghị atụ;
I nwere ọnọdụ pụrụ iche n'ime obi m

Abụ a bụ abụ a na-akpọ sọnet nke nwere naanị ahịrịabụ iri na abụọ.Ọ bụ abụ echiche miri emi. Ọ dị mfe nghọta ma n'otu aka ahụ, e nwere mwebata atụmatụụwanrọ. Nke a bụ ezi ọmụmaatụ abụ okwu maọbụ abụịhụnanya. Odeabụ ji asụsụ nka wee zipụtachaa ezi echiche ya, ngwa o jiri mee ntụlekọrịta bụịgba, nsinụụda egwu ọdịnaala na ezi mkpali nke odeabụ ji wee sọpụrụ ma fee onye ọ hụrụ n'anya dị omimi.

Abụ a bụ ezi abụịhụnanya, odeabụ gbara n'anwụ etu o siri hụ "Iyoo M" n'anya nke ukwu.
Ọmụmaatụ: Ahịrịabụ nke atọ;
Ị bụzịnụụtụ chara n'ọhịa
Mba n'ihi na (sic) ọ chakarịa ọ daa
Ewo mma ị mara enweghị atụ nkebiabụ 7
Ọ bụghị nke na-eme nsachapụ

Nkwusara mere ka abụ a bụrụ abụ dị mfe ma bụrụ atụmatụụwanrọ. Ọtụtụ ajụasaghịna nkwusara dị n'abụ a bụ Iyoo M. N'abụ a, e nwere ihe karịrị nkọwa isii n'ime ya, nke na nkọwa niile ndị a bụ naanị ajụasaghị ebe odeabụ ji wee zipụta mmetụta o nwere n'ebe onye ọ hụrụ n'anya nọ.
Ọmụmaatụ: Lee ahịrịabụ 3,5,9,11,12
I yiri mmiri ọnụụtụtụ? ahịrịabụ 1
Ị bụzịnụụtụ chara n'ọhịa? ahịrịabụ 3

A ga-ejizi gị tụnyere ugo? ahịrịabụ 5
Ị bụghịọ mara mma n'ugbene ahịrịabụ 9
O sitere n'isi ruo n'ụkwụ ahịrịabụ 11
Site n'ahụ ruo n'obi ahịrịabụ 12

Abụ a na-ezipụta na Iyoo M bụọkaibe n'ebe ụmụnwaanyị dịọzọ nọ dịka o siri bụrụ mkpebi odeabụ. Abụ a bụ ezi mmetụta obi siri ike nye odeabụ a niihi na ezi mkpebi o nwerela banyere onye ọ hụrụ n'anya. A hụbeghịụdị abụ a n'abụ Igbo n'ụdịọdịnaala maọbụ abụ kaogeugbu a.

**Nchịkọta**

Site n'inyocha abụ ndị bụ abụ echiche miri emi dị n'agụmagụ*Uche Bụ Afa* nke G. O. Onyekaonwu dere. Omenchọcha nwere ikike ikwuputa na G. O. Onyekanwu (odeabụ) sonyere ezi usoro e si ede abụ wee dee *Uche Bụ Afa*, o wee na-asị; Onyekaonwu bụọkaibe n'isite n'ezi ekereuche ma were asụsụ nka zipụta aka nka edemede ya n'ụdị agụmagụ abụ ederede. Ụdịaka nka a bụ ezi nkamma nye abụọbụla o dere n'*Uche Bụ Afa.*A sị m kwuo, onyekaọnwụ bụ ejechaaọgwụ n'ide agụmagụ. Abụ niile dị n'ime *Uche Bụ Afa* bụ ejiamaatụ. Ọ bụrụna edemede abụ bụ nri ewu, Onyekaonwu gbọtara nri ewu ga-eri.

**Edensibịa**

Akwanya, A. N. (Ed). *Africa and World Literature*. University of Nigeria Journal of Literary Studies, Nigeria: New Generation Books.

Eliot, T. S. (1873). *The Metaphysical Poets*. Oụford Anthology of English Literature vol. 2, London: OUP

Evans, I. (1979). *A History of English Literature*. Harmonds-Worth; Penguim.

Fryn, N. (1977). *Anatomy of Criticism*. Princeton: PUP

Gillie, C. (1992). *Longman Companion to English Literature*. London: Longman.

Isidore, O. (1983). *The Heritage of African Poetry.* Hong Kong: Longman

James, R. (1974). *The Critical Sense.* London: Heinemann

Madubuike, I. (1981). *Ịghọta Abụ Igbo.* Nigeria: University Press

Murphy, M.J. (1972). *Understanding the Unseen.* London: Allien and Unwin

Onyekaọnwụ, G.O. (1989). *Uche Bụ Afa*. Nigeria: Varsity Press